# NNWOGHAPỤTA KÀỌ̀BỤ ÒKÌKÈ?
## Jenesis 1:1-31; 2 Pita 3:1-14
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 92 – Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye-nwe-ayi, Gi onwe-gi bu Onye kère elu-igwe na ala na oké osimiri, na ihe nile di ha nime" (Ọlu Ndi-ozi 4:24).**

**Na Mbụ**

Okwu Chineke bụ náání akwụkwọ nke eji okwu ndịa malite "Na mbu." Ọ bụ kwa náání ya nwere ike ime otú ahụ, n'ihi na Chineke nọ n'ebe ahụ, wee nye Moses bụ́ onye dere okwu ndị ahụ. "Ihe ọ bula edeworo n'akwụkwọ nsọ bu ihe si n'obi Chineke puta" (2 Timọti 3:16). Ndịọzọ dere ihe banyere òkìkè maọbụ ihe banyere mmalite, natara ozi ha site n'aka ndị edemede ọzọ maọbụ site ná nchepụta nke obi ha. Ụfọdụ nime ndị edemede a naamalite ihe odide ha n'ụbọchị nke atọ nke òkìkè ahụ bụ mgbe alaakọrọ puputara ahịhịa ndụ, iheọkụkụ nke náamịpụta mkpụrụ ọghịgha na mgbe osisi dị icheiche malitere itò (Jenesis 1:9-13). Ụdị ndịkom ndịa náakuzi na otù ntakịrị àkwà ka mmiri sụpụtara n'elu ala mgbe ọ gbawara ndụ wee malite na ya. Ha adịghị agwa anyị ebe ntakịrị àkwà ahụ maọbụ ndụ ahụ si pụta. Ha adịghị ekwupụta ebe ala ahụ na mmiri ahụ si malite, ma Baịbụl naekwu na Chineke kèrè ha.

Enwekwara ndị edemede ọzọ ndị malitere ide nke ha site n'ụbọchị nke anọ nke òkìkè ahụ bụ mgbe akpụwororị anyanwụ (Jenesis 1:16-19). Ndịa anaakpọ ndị óké mmụta nke iheomimi (scientists) náakụzi na anyanwụ ahụ bụ otù nime ọtụtụ nkume gbazere agbaze nke náatụgharị kwa onwe ya óké ngwangwa, otù iberibe wee fepụ. Ịgba gburugburu n'óké ọsọ mere ka otù iberibe ahụ dị gburugburu. Na dịka ọ naajụ oyi wee jiri nwayọ rịdata n'ala, o wee ghọọ ụwa. Ọ dịghị onye nime ndịkom ndịa kwuru maka mmalite nke anyanwụ; ma Baịbụl naekwu na Chineke sịrị "Ka ihe nke nēnye ìhè di na mbara elu-igwe" (Jenesis 1:14), na "Chineke we kpua ihe uku abua ahu nke nēnye ìhè; Ọ kpuru ihe ahụ nēnye ìhè nke ka uku ka ọ nāchi ehihie" (Jenesis 1:16).

Enwere ndịọzọ ndị nwere nghọta na ndụ bụ ihe sitere n'apịtị malite wee ghọ ụmụ anụ dịkarịsịrị ntà nke náabawanye abawanye, yie nke ndị Bekee naakpọ "amoeba" bụ́ otù ihe ekèrèèkè nke dị na mmiri nke anaapụghị iji anya efu hụ́ ma ọ bụghị náání site n'enyo eji eme ka ihe dị ntàkịrị bueibu (microscope). Site n'ọtụtụ nchọpụta ndị óké mmụta nke iheomimi (scientists) ọzọ achọpụtawo na ndụ abụghị ihe agaasị na ọ malitere n'onweya kama ọ ghaghị isite ná ndụ ọzọ pụta. Na Jenesis 1:21 anyị naagụ sị: "Chineke we kè ogologo anụ uku nile di na miri, na anu nile ọ bula nwere nkpuru-obi di ndu nke nākpu-akpu, nke miri nuputara, di iche iche, na anu-ufe nile ọ bula di iche iche nke nwere nku: Chineke we hu na ọ di nma."

Otú ọdị, n'ihe banyere mmalite nke ụwa, ya na ndụ, ndị okémmụta nke iheomimi (scientists) enweghị mkwekọrịta n'etiti onweha. Nchepụta ha ọ bụla naenye ndịọzọ ohere ma n'ikpeazụ anaechezọ ha ma wezuga kwa ha n'akụkụ, ma okwu nke Chineke naeguzosike mgbe niile. "Elu-igwe na uwa gāgabiga: maokwu nile nkem agagh-agabiga ma-ọli" (Luk 21:33).

**Chineke Kèrè**

"Chineke kèrè" bụ Okwu ndị òzízí nke nnwoghapụta náadịghị achọ ịnụ. Ha naebuli anụmanụ elu. Ha naakọwa na ndụ a nke kachasị elu ugbu a jiri nwayọ naeto. Mkwenye nke a abụghị náání na ọ naemegide okwu nke Chineke ná emegide kwa òkìkè, kama ya na nnwapụta nke ndị óké mmụta nke iheomimi (scientists) ọzọ adịghị ekwekọrịta. Otù nwoke nke akpọrọ aha ya Mendel anwapụtawo na ụmụ ntakịrị apụghị iketa akparamaagwa niile nke ndị mụrụ ha nwetaworo maọbụ nke ha zụliteworo onweha nime ya. "Gi onwe-gi bu JEHOVA, náni Gi; Gi onwe-gi emewo elu-igwe, bu elu-igwe nke elu-igwe nile, na usu ha nile, na uwa na ihe nile nke di n'elu-ya, na óké osimiri nile na ihe nile nke di nime ha, Gi onwe-gi nēdebe kwa ha nile ndu; usu ihe elu-igwe nākpọ kwa isi ala nye Gi" (Nehemaia 9:6).

Okwu a "kee" pụtara iwepụta ihe ka o wee malite ịdị. "Chineke kèrè elu-igwe na uwa." O kwuru Okwu ha wee malite ịdị. Ọ dịghị ihe ọ bụla nke dị tupu ike nke Chineke wee mee ka ha malite ịdị. Ikè ihe karịrị ịsị na madụ mere ihe a, maọbụ na o wuru ya dịka anaewu ụlọ. Nne gị nwereike kwue na ya gaeme achịcha, n'ihi na ọ ga etinye ihe niile eji eme ya nime afere, wee gwakọta ha, kpụpụta kwa ha n'ụdị ha. O nweghịike imepụta ihe ndịa dịka suga, ihe iji ghee ya, àkwà, flour, na ihe naesi ísì ụtọ, ha bụ ihe emeworo eme. Ọ bụ Chineke kèrè ihe niile nke esitere na ha mee eluigwe na ụwa. Mgbe nna naewuru ụmụ ya ụgbọala, ọ naazụta osisi nke edoziri

nkeọma na ntú. Ihe ndị ahụ ka ọ na enweghịike ime n'onweya, ma Chineke kèrè ụwa na ihe niile dị nime ya site n'ihe náabụghị ihe. "Okwukwe ka ayi ji ghọta na ewerewo okwu Chineke dozie uwa nile, ya mere esitegh n'ihe putaworo ìhè kpu ihe ahụ anāhu anya" (Ndi Hibru 11:3). Mgbe anyị naemepụta ihe ọ bụla, anyị naemepụta ha site n'ihe ọzọ, ma lee otú Chineke si dị iche! O kwuru náání okwu ewee lụọọlụ ahụ.

**Àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke**

Chineke emeghị nnwapụta n'ihe O kèrè kama O sooro àtụ̀mààtụ̀. Asị na Chineke kèrè mmadụ n'ụbọchị nke mbụ ahụ, mmadụ agagh ahụ́ ihe ọ bụla ọ gaeri maọbụ ebe ọ gaebi, ma Chineke maara ihe kachasị mma. Dịka anyị naamụ̀ ihe banyere ọlụaka Chineke (òkìkè, dịka ụfọdụ naakpọ ya), anyị naahụ́ usoro na ụdị, nke Chineke ji atụ àtụ̀mààtụ̀. Ọbụná ntakịrị mkpụrụmmiri nke naesi n'elu ka anaahụ́ na ụdị ha maramma nke ukwuu. Agwara anyị na nke ọ bụla nime ha nwere ụdị dị iche site n'ibe ya. Ha enweghị ụdị ahụ n'onweha, kama ọ naegosi àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke. Ị̀ naatụle mgbe ụfọdụ onye naeme ka ụmụnnụnụ náabụ abụ̀ maọbụ náakpà àkwụ̀ ha? Chineke bụ Onye náahụ́ kwa ihe banyere ha otù aka ahụ. Ndị òzízí nnwoghapụta naasị na ihe ndịa bịara nnọọ na mberede, ma Baịbụl naekwu sị "Ekèrè ihe nile site n'aka-Ya; ekègh kwa otù ihe ọ bula nke ekèworo ma Ọ nọgh ya" (Jọn 1:3).

O mere ìhè ahụ wee kewapụta ya site n'ọchịchịrị ka ha bụrụ Ehihie na Abalị. Ụfọdụ naasị na ha ekwenyeghị na Chineke, ma ha naakpọ ìhè na ọchịchịrị ahụ aha nke Chineke kpọrọ ha – Ehihie na Abalị. Nke a bụ ihe mere Chineke ji sị na ọ dị mma mgbe Ọ hụrụ ìhè ahụ. Ọ bụghị náání na ìhè ahụ naeme ka anyị huzie ihe niile nkeọma kama ọ naeme kwa ka ndụ náaadịgide. Mgbe ụfọdụ ị were igbe kpugide ya iru n'ala ị gaachọpụta na ahịhịa dị n'okpuru igbe ahụ anwụwo náacha kwa ọcha n'ihi na o nweghị ìhè. Tụlee otú ihe niile gaadịworị ma ọ bụrụ na ìhè ahụ adịghị.

**Anyasị na Ụtụtụ**

Anyị enweghị ihe ndabere ikwere na ụbọchị nke òkìkè bụ ihe ọzọ dị iche náabụghị hour iriabụọ na anọ (24). "Otù ọgbọ alá, ọgbọ ọzọ abịa; na uwa nēguzoro mgbe ebigh-ebi. Ọzọ, anyanwu awawo, anyanwu adawo kwa, ọ bu kwa ila n'ọnọdụ-ya ka o nēkusi ume-ike, bú ebe ọ nāwa" (Eklististis 1:4, 5). Na 2 Pita 3:4 anyị gụrụ: "Ihe nile nādigide dika ha diworo site na nmalite nke òkìkè," ma nke a pụtara hour iri abụọ naanọ (24) ahụ kwa.

Ụfọdụ mmadụ naenwe nchepụta na otù ụbọchị nke òkìkè bụ ogologo oge ra ka otù puku arọ̀. Ekewara ụbọchị ahụ ụzọ abụọ Ehihie na Abalị (Jenesis 1:4, 5). Ma dịka nchepụta ha si dị nke a gaapụta na enwere ọtụtụ arọ nke ìhè na ọtụtụ arọ̀ nke ọchịchịrị. Òlee otú òzízí dị otú a gaesi bụrụ eziokwu? Ahịhịa agaghị enweworị ike ịdị ndụ ọtụtụ arọ ndịa náenweghị anụ maọbụ mmadụ ndị gaerị ha ma náedozi kwa ha, ụwa gaabụworị ihe ọtụtụ ahịhịa kpuchiworo. Ọ bụrụ na otù ụbọchị bụrị ọtụtụ arọ̀, chee uche arọ ole Adam gaadịworị mgbe o biri n'ogige nke Iden.

**Ịkpá Ókè nke Mmiri ahụ**

Chineke kpara mmiri ahụ ókè. O tinyere ụfọdụ na mbara eluigwe, ma tinye kwa ụfọdụ n'okpuru ya. O tinyekwara urukpu ya na igweoji n'eluigwe. Ma mmiri niile, ọdọmmiri niile, na óké osimiri niile ka O tinyere n'ala. Nke ọ bụla nwere ọlụ ọ gaalụ ewezuga ha ọ dịghị ihe gaadị adị. N'ụzọ dị ebube Chineke naewere mmiri n'osimiri niile site n'anyanwụ O wee ghọọ igweoji nke náaga gburugburu ala ma Chineke naezite mmiri òzùzò iji dee ala kpọrọnkụ̀. Òlee otú mmiri gaesi laghachị n'óké osimiri ma ọ bụrụ na ọ bụghị site n'osimiri niile? Chineke mere ugwu niile ichebe mmiri n'ụdị snow, otú a emere ka ha dị elu ka mmiri ahụ nwee ike ịsọba n'óké osimiri. "N'ihi na O nēsepu nkpuru miri, nke nāghọ miri-òzùzò diri alulu-ya: nke mbara igwe nāwuda, nātasị madu n'uba" (Job 36:27, 28).

Mmiri ahụ niile ka achịkọtara nime óké osimiri ma ala akọrọ pụtara mbe Chineke kwuru okwu ndị ahụ. Mmadụ niile, ọbụná ndị ọchị ahụ ha naakpọ kwa mmiri ahụ Osimiri, kpọọ kwa alaakọrọ ahụ Ala, bụ́ ihe Chineke kpọrọ ha. Mgbe anyị naatụle urù niile nke ala na mmiri ahụ bara, anyị ewee hụ́ na Chineke mere ezi nrọpụta nye ihe O kèrèèkè. Ọ bụghị náání ịmamma ya kama ihe ndịa bara urù nke Chineke tinyeworo n'ụwa – nkume niile, ihe anaegwupụta n'ala. mmanụ, icheku eji anya ụgbọelu (coal), na ọtụtụ ihe ndịọzọ nke anyị naeji eme ihe n'ụbọchị ọ bụla. Site n'osimiri anyị naenweta nnú nke dị mkpà ma baa kwa urù maka nchekwa na idebe ihe ọcha. Mmịri ahụ naeme ka oge oyi na oge okpomọkụ dị. N'akụkụ ebe ụfọdụ ọ naeme ka ala jụọ oyi ma náekpo ala ọkụ n'ebe ọzọ, naeme kwa ya ka ọdịrị anyị mma.

Agwara anyị site n'aka ndị ahụ mụrụ ihe banyere ihe ndịa, na ọ dịghị ịkpá óké ọ bụla ọzọ enwereike ịkpá n'ebe ala na mmiri dị karịa nke ahụ Chineke meworo. Ọ bụrụ na enwee óké osimiri karịa, ala gaede mmiri gabiga òkè site na mmiri òzùzò. Ọ bụrụ kwa na enwee ala karịa, nke a gaabụ ọzara, n'ihi na agaghị enwezu mmiri nke

gaeme ka ọ dị mma ịgha mkpụrụ. “Onye nwere oké-osimiri, ya onwe-ya me-kwa-ra ya; ọ bu kwa aka-Ya kpuru ala-akọrọ” (Abù Ọma 95:5).

Iheọkụ̀kụ̀ pupụtara náamịpụta mkpụrụ ọghịgha na mkpụrụ osisi. Chineke kpọrọ iheọkụ̀kụ̀ ndịa aha n’ụdị atọ: ahịhịa, mkpụrụ ọghịgha na osisi niile. Mgbe mmadụ naamụ̀ ihe banyere iheọkụ̀kụ̀ dị icheiche ọ naachọpụta na ekewara ha n’ụdị atọ ndịa, dịka Chineke sịrị, Òlee ihe ị gaara náeri ma ọ bụrụ na iheọkụ̀kụ̀ ndịa adịghị?

**Nime Igweoji**

“Elu-igwe nākọ nsọpụrụ Chineke; ọ bu kwa ọlu aka-Ya ka mbara elu-igwe nēgosi” (Abù Ọma 19:1). Chineke kpụrụ anyanwụ, ọnwa na kpakpando niile ịbụ ihe bàrà urù na ịbụ kwa ihe maramma. Anyanwụ ahụ naenye okpomọkụ naenye kwa ìhè. Agaghị enweworị ọkọchị, udummiri, ogeoyi na okpomọkụ ma ọ bụrụ na ha adịghị. Ọ bụghị náánị iji ha àgụ́ ehihie na abalị kama eji kwa ha àgụ́ arọ̀. “O mere ọnwa ka ọ buru ihe igu mgbe di iche iche akara-aka: anyanwu mara ọdida ya” (Abù Ọma 104:19).

**Ụmụ Anụmanụ**

Ugbu a Chineke edoziwo ụwa na osimiri nye anụ dị icheiche . Enwewo iheoriri, mmiri, na ebe obibi nye ha. Na Jenesis 1:21, anyị gụrụ na Chineke wee kèe “anu nile ọ bula nwere nkpuru-obi di ndu nke nākpu akpu” n’eluụwa, n’elu na na mmiri. Chineke gọziri anụ ahụ niile ma gwa ha ka ha mụọ ọ̀mụ́mụ́ maọbụ nwee ụmụ ọhụụ (Jenesis 1:22-25), nke ọ bụla n’ụdị ya (dịka nna na nne ha).

Ihe ọ̀kụ̀kụ̀ etopụtaghị site na mmiri, anụmanụ kwa etopụtaghị site n’iheọkụ̀kụ̀, maọbụ otù ụdị anụmanụ site n’ụdị anụ ọzọ. Chineke kèrè anụ ọhịa niile n’ụdị dị icheiche site n’ibe ha – O kèrè ọdụm, ka ọ bụrụ ọdụm. O mere anụụlọ n’ụdị nke ha – ehi ka emere ka ọ bụrụ ehi – ha etopụtaghị site n’anụ ndịọzọ (Jenesis 1:25).

Ụfọdụ mmadụ naachọ ịgwa anyị na site n’otù obodo ọ bụla si dị maọbụ ebe okpomọkụ maọbụ ebe oyi dị naeweta mgbanwe n’ebe anụmanụ ndịa dị. Anyị maara na akpụkpọ nkịta naadị arọ́ karị na mgbe oyi ma tupu mgbe óké okpomọkụ ọtụtụ nime ajị ya naapụsị wee mee ka akpụkpọ nkịta ahụ ghara kwa ịdị óké arọ́. Ma asị kwarị na nkịta naebi n’ebe jụrụ óké oyi maọbụ ebe náekpoọkụ karị, nkịta ka naabụ kwa nkịta. O nwebeghị ike ịgbanwe wee ghọọ anụ ọzọ dị iche.

**Òkìkè nke Mmadụ**

Ekèrè mmadụ n’ụdị na oyiyi nke Chineke. Ekèrè ya ka ọ dị iche site n’anụ niile. Chineke wee were ájá sitere n’ala kpụ mmadụ (Jenesis 2:7). Agwara anyị na ihe dịka ihe iri na isii (16) nke ejiri kpụkọta arụ mmadụ, ha niile ka ahụworo n’ájá nke ala. Mgbe Chineke kpụchara mmadụ n’oyiyi nke Ya onweya, O kunye ya ume ndụ n’oghere imi ya abụọ ma “Madu ahu we ghọ nkpuru-obi di ndu.” “M’gekele Gi; n’ihi na ejiwo ihe di iche iche di egwu me ka m’buru oké-ọlu” (Abù Ọma 139:14).

Mmadụ ka akpụrụ n’ụdị dị iche site n’anụ niile n’ihi nke a ọ dị iche. Ndịòzízí nke nnwoghapụta naachọ iwepụta ọtụtụ ụzọ nke mmadụ na anụmanụ ji yie ibe ha, ma enwere ihe dị iche n’ọkpụkpụ ha nke na mmadụ gaamata ma ọ bụ nke mmadụ maọbụ nke anụmanụ. Anaachọpụta kwa nke a n’otú ọbara ha naacha ma o sitere na mmadụ maọbụ nke anụmanụ.

Mmadụ dị iche site n’anụmanụ, n’ihi na mmadụ bụ mkpụrụobi dị ndụ. N’ebighiebi ka ọ gaebi ebighiebi, maọbụ ịba n’ọñụ ebighiebi maọbụ kwa n’ebe ịta ahụhụ ebighiebi (Jọn 5:29; Daniel 12:2).

**Ịdọakanántị**

Adọrọ anyị akanántị na ndị ọchị gaadị ndị ganaekwere náánị ná nchepụta nke onweha (2 Pita 3:3). Nnwoghapụta bụ otù nime nchepụta ndị ahụ bụ́ nke sitere na mmadụ ma ha naemegide Okwu Chineke. Nnwoghapụta ka anaakụzị na ọ bụ usoro ihe anaahụ́ anya bụ́ nke Onyeòkìkè ahụ dị Nsọ náanọghị na ya. Ndị náekweghị ekwe adịghị achọ ịnụ akụkọ sitere na Baịbụl – “Nka mere ha nchefu” (2 Pita 3:5). Ka anyị were ihe niile nke Baịbụl kwuru ma bụrụ ndị anaagaghị eduhie site n’òzízí ọbịara ọhụụ nke nnwoghapụta. Náagbanyeghị otú isiagụgọ ha gaesi dị ka ọ bụ eziokwu n’ile ya anya, ka anyị niile n’otù n’otù kwere na Chineke ya na Baịbụl. “Na Chineke bu onye ezi-okwu, ma madu nile n’otù n’otù bu ndi-ugha” (Ndi Rom 3:4). Ka anyị jidesie okwu ahụ nke kwesịrị ntụkwasịobi ike dịka akụziri ya nye anyị, n’ihi ọ dị mma nke anyị onweanyị na kwa ọ dị mma nke ndịọzọ (Taitọs 1:9).

Ka anyị cheta na nke karịrị n’ihe anaakpọ (science) óké mmụta nke ihe omimi bụ náánị ụgha (I Timọti 6:20). Otù onye apụghị ikwere otù akụkụ nke Akwụkwọnsọ na otù akụkụ nke iheọ̀mụ̀mụ̀ nke nnwoghapụta, maọbụ ịgbakọta ha abụọ n’otù. “Ọ buru na onye ọ bula gātukwasiri ha okwu, Chineke gātukwasiri ya ihe-otiti nile nke edeworo n’akwụkwọ a: ọ buru kwa na onye ọ bula gēwepu okwu nime okwu nile nke akwụkwọ nke amuma nka,

Chineke gēwepu òkè-ya n'osisi nke ndụ ahu, wepu kwa òkè-ya n'obodo nsọ ahụ, bu ihe edeworo n'akwukwọ a" (Nkpughe 22:18, 19).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee otú Chineke si kèè eluigwe na ụwa?
2. Ogologo oge ra añaa ka o were Chineke íkè ha na ihe niile dị nime ha?
3. Ònye bụ nwoke mbụ ahụ?
4. Òlee ebe o si pụta?
5. N'oyiyi ònye ka akpụrụ ya?
6. Òlee otú mmadụ si dị iche site n'anụmanụ?
7. Kọwaa ihe bụ nnwoghapụta.
8. Gịnị mere o ji bụrụ ihe náemegide Baịbụl?